*Sapientia Foundation Journal of Education, Sciences and Gender Studies (SFJESGS), Vol.4 No3 September, 2022; pg. 265 – 275*
*ISSN: 2734-2522 (Print); ISSN: 2734-2514 (Online)*

# ỊKWALITE ASỤSỤ IGBO SITE N'IJI NTANEETI

**CHIDIMMA ANGELA EKEH**
**Phone No: +2348130327011**

**&**

**IFEYINWA CORDELIA ISIDIENU (PhD)**
**Department of Igbo, African and Communication Studies**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
**Email Address: ifyisidienu@gmail.com or ic.isidienu@unizik.edu.ng**
**Phone No: +2348033027892**

## Ụmịedemede

*Asụsụ bụ ụgbọ nke bu mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụ nnukwu onyinye Chukwu nyere mmadụ. Nchọcha a nke isiokwu ya bụ "Ụzọ a ga-esi kwalite Asụsụ Igbo site n'iji ntaneeti" bụ ihe kpalitere ya bụ n'ihi anaghị enweta ụsa nyere ọtụtụ ajụjụ gbasara asụsụ Igbo n'igwe ntaneeti, nsogbu ndị mmadụ na-enwe n'ebe ọ gbasara iji igwe ntaneeti arụ ọrụ. Ebumnobi nchocha a bu ileba anya n'ịchọpụta ọnọdụ asụsụ Igbo, tinyere ihe dị iche iche a ga-eme ka asụsụ Igbo gbanye mgbọrọgwụ na ntaneeti. A gara n'ọba akwụkwọ ịchọpụta ihe dị iche iche gbasara isiokwu a. Usoro nchọcha gbasoro bụ usoro sovee, a gbara ụfọdụ mmadu ajụjụ ọnụ gbasara isiokwu nchọcha a. Ihe a chọpụtara gunyere: Ntaneeti ga-enyere ndị Igbo aka n'iwelite asụsụ Igbo n'ogo mba dị iche iche ga-enwe mmasi ịmụ ya site n'iji ntaneeti. Nchọcha a ga-enyere ọtụtụ mmadụ aka ma ụmụ akwụkwọ, ndị nkụzi, gọọmenti na ọhaneze gbaa gburugburu n'inwe mmasị n'asụsụ Igbo na iji ya na-arụ ọrụ nn ntaneeti. Nchọcha a bụ ahịa ọma na-ere onwe ya n'ihi n'ihe ọma n'anya gbara akwụkwọ, n'ihi n'ihe a na-ekwu maka ya metụtara ọtụtụ mmadụ maka n'ọtụtụ ihe ndị anyị na-eme n'ụbọchị taa bụ nke e si n'igwe ntaneeti eme.*

**Ọkpụrụkpụ Okwu: Nkwalite, Asụsụ, Igbo, Ntaneeti.**

## Abstract

*Language is a vital tool for communicating among people. It is a special gift from God. This study "An Avenue of Promoting Igbo Language through the use of Internet" was prompted by the issue of not getting answers to questions in Igbo language from the internet; and the problem encountered by Igbo language users in the internet. The aim of this study is to examine the state of Igbo language in the internet, and the means of making Igbo language to be deep rooted in internet. A review of literature related to the study was done. The study was descriptive in nature and adopted the use of oral interview for data collection. It was found out that, internet will help to promote Igbo language and upgrade it to the point that non Igbo speakers will be interested in the learning of Igbo Language through the internet. The study will be beneficial to many individuals especially students, teachers, government and generality of people since they will be interested in Igbo language and also use it in the internet. This study is second to none, since recently, almost everything is geared towards internet usage.*

**Okwu Mmalite**

Ọ dịghị ihe nwere isi ma ọ bụ ihe dị ka mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya ma ọ bụrụ na ọ nweghị ihe dị ka asụsụ. Ụmụ anụmanụ niile Chineke kere bụ ụda dị iche iche ka ha na-eme mana ọ bụ naanị mmadụ nwere asụsụ nke mere o jiri bụrụ anụ kacha elu ma pụọ iche n'anumanu niile Chukwu kere. Ọ bụ asụsụ bụ n'ihe niile ndị ọzọ mmadụ na-eme nwere isi, n'ihi na ọ bụrụ na mmadụ a chọọ ikparịta ụka, ọ bụ asụsụ ka o ji eme ya. O bụ ya bụ onyinye kachasị n'onyinye niile Chukwu nyere mmadụ. Ọ bụ ya bụ ụgbọ bu mmekọrịta mmadụ na ibe ya ma bụrụkwa isi sekpu ntị na mmekọrịta, ọ bụ ya mere na ọ bụrụ na mmadụ a gaa ebe ọ maghị asụsụ ha, ọ ga na-anọrọ onwe ya n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji enwe mmekọrịta. Ọ bụladị ndị anaghị anụ ihe ma ọ bụ ndị anaghị ekwu okwu nwere asụsụ nke ha ji akparịta ụka nke a na-akpọ asụsụ ogbi (sign language). Ọ bụ asụsụ jikọrọ mmekọrịta niile mmadụ na-eme, azumahịa, ulo ọrụ mgbasa ozi dị iche iche, ide na ịgụ akwụkwọ, igwe kọmputa, aka ọrụ dị iche iche bụ asụsụ mere ka ọ dị ire ma nwee isi.

Asụsụ bụ ndụ agbụrụ ọ bụla. Asụsụ nchọcha a na-eleba anya bụ asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo bụ asụsụ e ji mara ndị Igbo. Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ atọ kacha pụta ihe n'ala Naịjirịa. Ha bi n'ọwụwa anyanwụ mba Naịjirịa, ọ dị steeti ise ndị pụtara ihe mewere ala Igbo, ha gụnyere: steeti Imo, steeti Abia, steeti Anambra, steeti Enugwu na steeti Ebonyi. Ndị Igbo bụ ndị ama n'ọtụtụ mba ụwa n'ihi ịdị uchu n'ọrụ, ya na ịgba mbọ na-ebe ọ metụtara ịchụ nta akụnụba dị. Ọwa ntaneeti bụ ihe e jizie arụ ọrụ kwa ụbọchị n'oge ugbu a. N'ihi n'isi ihe niile mmadụ na-eme na ndụ bụ asụsụ ka e ji eme ya. Ọ bụ asụsụ ka ọwa ntaneeti ji arụ ọrụ. Ntaneeti emeela ka mkparịta ụka na mgbasa ozi bụrụ ihe dị mfe ugbu a. Inweta ụsa gbasara ndụ, omenala, asụsụ, mmụta n'ihe di iche iche metụtara mmadụ bụ nke ntaneeti mere ka ọ dị mfe. Ebe ọ bụ asusu ka ntaneeti ji arụ ọrụ ọrụ, ọ ga-abụ ihe nnukwu enyemaka nyere asụsụ Igbo n'oge ugbu a ndị ụfọdụ ndị na-agba ọnyụpa n'ebe asụsụ ha dị. Nnyocha nke mmekọrịta dị n'etiti iji ntaneeti arụ ọrụ na mmụta asụsụ Igbo kwesịrị imesi ike na ntaneeti ma kpalie ụmụ akwụkwọ iji ntaneeti na mmụta ha.

**Ntụlegharị Agụmagụ**

N'ebe a ka e wepụtara ihe di iche e dere gbasara isiokwu a. Dị ka Bryan and Bell (2011) kọwara na ntụlegharị agụmagụ bụ usoro iji chọpụta ozi dị mkpa ma ọ bụ nyocha ihe dị mkpa na ndụ.Lado (1957) kọwara asusu dị ka ngwaọrụ nke ndị mmadụ ji akparita ububọ n'etiti onwe ha n'otu obodo. Maclntosh na Steven's (1964) kọwara asụsụ dị ka ihe mmadụ na-eme. Ha kwuru na ọ bụ ihe mmadụ na-eme n'obodo. Ihe nkọwa a pụtara bụ n'asụsụ bụ naanị ihe mmadụ nwe ma bụrụ nke mmadụ na-eme mgbe ọ bụla. Asụsụ nọkwa ọdụ ka ụda a mụtara amụta nke mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta.

N'aka nke Emenanjo (2005) asụsụ bụ ihe dị ndụ ma bụrụkwa ihe dị mkpa n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ kọwara n'asụsụ dị ka ihe dị ndụ pụtara n'asụsụ nwere ike ito eto ma ọ bụ nwụọ anwụ. Ndịiche dị n'etiti nkọwa a na nke Anigbogu, Mbah na Eme (2010) bụ na ha kọwara na ọ bụ mmadụ na-ewepụta asụsụ ma bụrụ nke a na-eziputa site n'okwu ọnụ ma ọ bụ akara ederede.

Na ntụnye nke ya, Greenbreg (1955) kọwara asụsụ dị ka usoro mba debere, nke dabara n'iwu na-achịkwa ụtọasụsụ. Ọ gakwara n'ihu kọwaa n'asụsụ bụ omenala nke na-esi n'aka fere aka n'etiti otu agbụrụ. Ihe nkọwa a pụtara bụ n'asụsụ ọ bụla nwere ụtọasụsụ bụ nke ọ na-agbado ụkwụ na ya ma bụrụkwa ihe (omenala) na-esi n'aka fere aka ya bụ n'asụsụ dị ndụ. N'otu aka

ahụ, Seinde (1985:4-5) sịrị n'asụsụ bụ ihe kacha mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ngosipụta eserese, akpụrụakpụ, onyonyo dị ha mkpa na mmekọrịta ma e wezụga asụsụ ọ nweghị ụzọ ọ ga-esi kowaputa mepụtara ihe ndị a. Asụsụ na-egosipụta ọganihu na mmepe obodo, ọchịchọ ọbi mmadụ, ọ bụ site n'asụsụ ka ihe niile a dị na ndụ dabeere.

Sindaire (1992) onye ndepụta ọkọwa okwu bekee nke BBC (1992:651) depụtara na a chọpụtara n'asụsụ bụ ngwaọrụ dị oké mkpa n'oganihu nke obodo. Ọ bụ ngwaọrụ dị ukwuu Chineke nyere mmadụ iji buru onye isi n'ebe ihe (ekere ke) ndị ọzọ dị (Jenesis 1:26) Isayev (1977:86) na nkọwa nke ya sịrị n'asụsụ bụ ihe kachasị mkpa doro anya obodo nwere. E nweghị ihe dị ka obodo ma e nweghị ntọala asụsụ. Ihe ọ na-akọwa bụ na tupu obodo e nwee nhazi, nchịkọta na ọganihu, asụsụ dị mkpa ka obodo wee gaa n'ihu n'ihe ọ bụla ọ na-eme.

Na ntụnye nke ya Armstrong (1994) kwuru, n'asụsụ Igbo malitere ikewapụta onwe ya n'otu asụsụ "proto-kwa" dị ka asụsụ kwụụrụ onwe ya n'agbata afọ 4000 na 6000 gara aga. Odee a ziputakwara ọrụ ndị ahụ asụsụ na-arụ dị ka, ọ bụ ụzọ esi enwe mmekọrịta, ọ bụ ụzọ esi eche echiche, e ji asụsụ echekwa omenala, e ji asụsụ edetu ihe, e ji asụsụ akuzi ma mee ka ndị mmadụ mmụta ihe.

Asụsụ so n'otu onyinye Chineke nyere mmadụ nke ha jiri karịa ụmụ anụmanụ. Ọ bụ ụda mmadụ ji ogan okwu wee mepụta nke nwere nghọta n'etiti mmadụ na ibe ya. Asụsụ na-akọwapụtakwa ebumnoobi mmadụ, nghọta ya na-etu amamihe mmadụ hadebere. Asụsụ abụghị ọnatarachi, a na-amụta asụsụ amụta. Ngoesi (2004) kowakwara asụsụ dị ka iji mkpụrụokwu nwegasiri nghọta ndị e nwere ike ịsụ asụ, dee edee ma ọ bụ gụọ, mee ka a mata ebumnobi mmadụ. Odee kwupụtakwara n'asụsụ ga-adịrịrị n'ụdị ndị ọzọ ga-aghọta ma gosipụta kwa n'agbụrụ dị iche iche dị ka: Awụsa, Yoruba, Ibibio na ndị ọzọ nwegasiri asụsụ nke ha dị ka Igbo sirii nwee. Ọ gakwara n'ihu kọwaa n'asụsụ bara ọtụtụ uru dị ka, asụsụ na-egosi mba ma ọ bụ obodo mmadụ si pụta, mmadụ na e ji ya akọwapụta ebumnobi ya, asụsụ dị mkpa maka ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ụzọ dị iche iche dị ka; izu ahịa, izirita ozi, ịkparịta ụka, ịgụkọrịta agụmagụ, igwurita egwu wdgz., e ji asụsụ ezipụta omenala na agụmagụ mba, asụsụ na-enye mmadụ ọrụ dị ka nkuzi, ọrụ ntapị okwu, ọrụ nnọchiteanya obodo wdgz, e ji asụsụ ezirita ozi n'akwụkwọ n'ikuku.

Anigbogu, Mbah na Eme (2010) n'aka nke ha kọwara asụsụ dị ka ụzọ mmadụ wepụtara isi na-eziputa echiche ha, mmetụta obi na mmụọ ha wdgz. Nke a pụtara n'ihe a na-asụ n'asụsụ bụ echiche mmadụ, ọchịchọ mmadụ na mmetụta obi mmadụ. Mmadụ anaghị anokata kwụbe ihe na e nweghị isi. Ọ bụ asụsụ bụ ngwaọrụ nke e ji eziputa ihe merela mmadụ na ndụ, uche ya, nchọpụta ya. Sapir (1921) kọwara n'asụsụ bụ ụzọ mmadụ si eziputa echiche mmetụta na ebumnobi ya site n'imepụta ụda mgbe ọ bụla ọ masịrị ya ma bụrụkwa nke naanị mmadụ na-eme. Ebe Bloch na Trager (1942) yitụrụ, oge ha kọwara asụsụ dị ka isi sekpụ ntị n'ụda ndị mmadụ na-eme iji wee na-enwe mmekọrịta n'etiti ọnwe ha. Nkọwa abụọ a na-eziputa n'asụsụ bụ ụda ma bụrụkwa nke a na-ahụta n'etiti mmadụ na ibe ya. O pụtakwara n'isi ihe e ji asụsụ eme bụ mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Richards na Rodgers (1995) Kọwara n'asụsụ bụ ụgbọ mmekọrịta e ji akọwapụta ihe na iji zie ozi. Corder (1975) kwuru na anyị anaghị akụzi asụsụ maka ụtọ ya, anyị na-akụzi asụsụ ka ụmụ akwụkwọ anyị wee nwee ike ịkparịta ụka ma sonye na mkparịtaụka, ka ha nwee ike ịkọwapụta ma ghọta ihe ọ bụla pụtara, ka ha na ndị na-asụ asụsụ obodo ma ọ bụ ndị dere akwụkwọ wee nwee mmekọrịta juru afọ. Ajayi na Oyetayo (2007) kọwara n'asụsụ bụ isi mkparịtauka na agum akwụkwọ nke na-enyere ndị

mmadụ aka n'ihafe omenala ha site n'aka fere n'aka. Anigbogu, Mbah na Eme (2010) kọwara na ọ bụ mmadụ na-ewepụta asụsụ ma bụrụ nke a na-eziputa site n'okwu ọnụ ma ọ bụ n'akara ederede.

Ezikeojiaku (1989) nyere nkọwa n'asụsụ Igbo bụ asụsụ nke ọ bụ na onye Igbo ọ bụla nụrụ ya ga-aghọta ihe e kwuru ozugbo. Ọ kwukwara na ọ bụ iji mee ka ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe ka e jiri wepụta Igbo izugbe ka ọ bụrụ asụsụ a mara amara. Nkọwa nke a pụtara na ọ bụ Igbo izugbe ka e ji akuzi ma were ya na-eme ọmụmụ asụsụ Igbo.

N'ịtụye uche nke ya Edward (1976) sịrị n'olu izugbe bụ olu asụsụ izugbe ka odee nwere ike ijinwu were dee akwụkwọ ya. Ọ dị mkpa ka anyị mata na ọ bụghị naanị otu olundị ka a na e ji emebe olu asụsụ izugbe n'ihi na ndị amaghị olundị ahụ e nweghị ike ịghọta ihe a na-ekwu. N'aka nke Ọfọmata (2007) kwuru n'Igbo izugbe bụ udiri asụsụ Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ ma elementịri, sekondịrị, ụlọakwụkwọ dịgasị elu ebe a na-akụzi Igbo tinyere Mahadum. O kwukwara na ọ bụ o zuru Igbo niile ọnụ. Ihe nke a pụtara bụ n'Igbo izugbe bụ Igbo e ji akuzi nkụzi n'ụlọ akwụkwọ.

Na nchịkọta, anyị nwere ike isi n'asụsụ bụ ụzọ mmadụ wepụtara ma kwekọrịtara dị ka ụzọ ha ga-esi na-ezipụta echiche ha, mmetụta obi ha, nkwenye ha, nsirihundu ha, ma sikwa na ya na-enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha bụ nke ha nwere ike isi n'okwu ọnụ ma ọ bụ akara zipụta. Ọ dị mma ka anyị mata n'asụsụ bụ ihe dị oke mkpa n'ebe mmadụ nọ, n'ihi na ọ bụ ya bụ njirimara nke e ji amata ebe onye si. E jikwa asụsụ eme azum ahịa, ọ bụ ya ka e ji akparịta ụka, e ji ya enye mmụta na ozuzu n'ogo dị iche iche. Ọ bụkwa asụsụ ka e ji echekwa mana na-ahafe omenala site n'otu agbụrụ ruo na nke ọzọ. Asụsụ dị nnukwu mkpa n'ọwantaneeti, ọ bụ asụsụ ka e ji enweta ụsa dịrị ajụjụ dị iche iche n'ọwantaneeti.

**Ihe bụ Ntaneeti**

Martin and Schell (2006) kọwara ntaneeti dị ka nchịkọta nke netwọku dị iche iche e ji rota wee jikọọ ọnụ. Nke a pụtara na ntaneeti bụ nchịkọta netwọku dị iche iche nke e jikọrọ ọnụ site n'iji ngwaọrụ na-ebuga ngwongwo data n'etiti netwọku kọmputa a na-akpọ rota. Ọ bụ netwọkụ kọmputa e jikọrọ na-enye ohere maka nzikọrịta ozi eletrọniki. Ntaneeti bụkwaazị usoro netwọkụ e jikọrọ zuru ụwa ọnụ na-eme ka nkwurita okwu zuo ụwa ọnụ ma na-eweta akụrụngwa data site na nnukwu nchịkọta akụkụ dị iche iche dị ka azụm ahịa, agụm akwụkwọ, ọhaneze na netwọku gọọmenti. Na nkọwa Shitta (2002) ọ kọwapụtara ntaneeti dị ka nnukwu ụzọ mkparịtaụka nke na-ejikọta, chikoo ma gbanwee ụwa niile ka ọ bụrụ obodo zuru ụwa ọnụ ebe mmadụ dị iche iche nwere ike ịbịakwute ibe ha, hụ maọbụ gwa ibe ha okwu ya na ịgbanwekọrịta ozi ozugbo site n'otu akụkụ ụwa ruo na nke ọzọ.

Will and Jeffery (2019) n'akwụkwọ ha nke ha kpọrọ na bekee "Introduction to Information and Communication Technology" kọwara na ntaneeti bụ usoro netwọku kọmputa jikọrọ, a na-enweta n'ụwa niile nke na-ebute data site n'igbanwee ngwongwo site n'iji ọkọlọtọ ntaneeti. Netwọku ọ bụla nwere ọtụtụ nde sava na ngwaọrụ na-ebuga ngwugwu data n'etiti netwọkụ kọmputa n'ụwa niile. Ntaneeti gụnyere azum ahịa, agum akwụkwọ, gọọmenti na netwọku ndị ọzọ nke ha niile na e ji otu usoro nzikorita ozi. Hellebrandt (1999:59-70) Kọwara na ntaneeti bụ ozi ikuku mkparịtaụka nke kọmputa bụ nke nwere ike isape anya nwa akwụkwọ n'ihe gbasara ịmụta asụsụ na omenala ndị. N'etu e si ezipụta ya nke ọma n'asụsụ ahụ dị ka nwafo ala ahụ. Motteram (1992:151-160) kwuru n'iji teknọlọji n'izu ndị nkụzi ga-enye aka ime

*Sapientia Foundation Journal of Education, Sciences and Gender Studies (SFJESGS), Vol.4 No3 September, 2022; pg. 265 – 275*
*ISSN: 2734-2522 (Print); ISSN: 2734-2514 (Online)*

ka ndị nkụzi mara ma nwee nsape anya na ngwaọrụ dị n'asụsụ dị ka Lam (2000:457-482) kwukwara sị na ntaneeti na-enye aka izipụta ihe mmadụ degasịrị ma etu ọ si enyere asụsụ aka n'odide.

Hussain (2012) Kọwara na ntaneeti n'ọnọdụ ya n'agụm akwụkwọ dị elu e meela ka mmepe dị na mmụta na nchọcha dị mma ma kwado mmekọrịta maka ikekọrịta nchọpụta nchọcha. Sahin na ndị ọzọ (2010) kwuru n'iji ntaneeti n'ọnọdụ mmụta e meela ka ọ dị mfe inweta ọtụtụ ngwaọrụ na ikekorita ozi. Audu (2006) na-ekwu na ntaneeti bara uru n'ọtụtụ ụzọ na ntọala agum akwụkwọ n'ihe gbasara inye ohere inweta ozi n'ụwa niile n'ike ka ndị nchọcha nwee mkparita ụka maka ihe ha gabigara.

McLeod (2008) na nke ya kwuru na teknuzu kọmputa na ntaneeti na-emetụta agwa mmadụ. Ọ na-emetụtakwa nchọcha nke ụmụ akwụkwọ na mmụta agụm akwụkwọ. N'otu aka ahụ, Ward (1996) kọwara n'ọrụ ntaneeti na-enye ohere inweta akwụkwọ e-buku, icho ozi adị mfe ma nyere ụmụ akwụkwọ aka ime ha ọrụ ndị dị mkpa n'ibawanye agum akwụkwọ ụmụ akwụkwọ.

Ndimele (2005 ed.) kwuru na mgbe ọ bụla ndị ntorobịa ma ọ bụ ụmụaka na-eto eto enweghị ike ịsụ asụsụ ala ha, amaghị aha a na-akpọ ọtụtụ ihe n'asụsụ ala ha, ihe ọ pụtara bụ na asụsụ ahụ akwadobela ịla mgbuka; ọnwụ asụsụ ahụ eruola. N'ihi nke a ka Nwaozuzu (2015) tuputakwara ọtụtụ arọ maka ime ka asụsụ rịgooro n'okwa dị elu, hapụ ọnọdụ ndapia ọ nọ na ya ugbu a. Ha bụ ndị a:

- Inwe ụbọchị ndị Igbo kwa afọ, ka ndị Igbo nwee ohere ziputa ọkpụtọrọkpụ ọdịnala ha dị iche iche.
- Ndị Igbo welitere isi itukota ego kwado ndị na-eme ejije ka ha mee ọtụtụ n'ime ha n'asụsụ Igbo.
- Ọ kọwara na ndị Igbo bụ ndị e jiri "Onye Aghala Nwanne Ya" wee mara. Ọ si na ọ kwesịrị ka ndị Igbo tụtee njirimara dị etu a n'ụra.

Okorji, Eme na Ọmachonu (2015 Ed's) kwuru na ọ kwesịrị ka ndị ọmụmụ gbasara ahụike, iwu, mgbakọ na mwepụ na-ahọpụta ndị a ga-etunye ugo n'ịkwalite asụsụ Igbo. Ndị na-asụ Engligbo ga-akwụsị ya. E kwesịrị iji asụsụ Igbo na-azukorita ahịa, na-ekwurịta okwu, na-azukorita ọrụ, na-agukorita akwụkwọ wdgz. A ga-akwado ndị odee n'ide akwụkwọ iji kpalie mmụọ ha. Ọ kwesịrị ka e nye ndị niile gụrụ Igbo ọrụ ka ọnụ ọgụgụ ndị na-agụ Igbo wee na-abawanye.

Ejiofor (2009:10) kwuru na e kwesịrị ịchọpụta, mmepụta ma kuzikwaara ụmụ ntakịrị ihe a na-akpọ ihe ndị ahụ na ndị ọzọ dị ka e si akpọ ha n'Igbo. Nke a bụkwa maka ichepụta aha a ga na-akpọ ọtụtụ ihe dị na bekee. E mee otu a, ọ ga-eme ka Engligbo belata, mekwara ka ụmụaka Igbo mara n'asụsụ Igbo a dabereghị na nke bekee na o zuru oke. Ndị Igbo ekwesịghị ịdị na-achọ ebe e mechara eme ha. He kwesịrị iji aka ha mee nchọpụta nke ha gbasara aha a na-akpọ ihe ụfọdụ ha ji eme ihe.

**Ngwaọrụ ndị Ntaneeti ji arụ ọrụ gụnyere:**

E-melu (Email) - ọ bụ ụzọ esi ezikọrịta ozi n'etiti ndị mmadụ site n'iji ngwa eletrọniki.
HTTP (Hypertext Transfer Protocol) - akụkụ ntaneeti nke ọrụ ya bụ ịbufe faili.

Webusaiti (WWW) - Websaiti o zuru ụwa ọnụ na-enye aka ịgbasa ozi na ntaneeti site n'usoro dị mfe.

HTML (Hypertext Markup Language) - ọ bụ koodu nke a na-eji ahazi weebụ (web page) na ndina ya.

Netwọkụ (Host) - ọ na-abụkarị kọmputa ma ọ bụ ngwa ọrụ ọ bụla jikọtara netwọkụ kọmputa. Ọ na-eziga ozi na ngwa ọrụ na kọmputa iji nyere ndị ji ya arụ ọrụ aka.

Na nchịkọta ntaneeti bụ nnukwu ngwa ọrụ na mmụta n'oge ugbu a. Ọ na-eme ka agum akwụkwọ dị mfe ebe nnukwu ngwaọrụ ntaneeti ji arụ ọrụ bụ asụsụ. Ọ na-enye aka ka nwa akwụkwọ nwee nghọta pụrụ iche gbasara ọtụtụ ihe n'ihi nweta usa gbasara isiokwu ọ na-achọ maka ya. O na-enyere ndị na-eme nchọcha aka ịmata ihe dị iche iche e merela na mbụ n'isiokwu ahụ bịakwa nyekwa ya ngwaọrụ ọgbara ọhụrụ dị iche iche ga-enyere ya aka ịhụ na ọ mere nchọcha bụ ịgba. Ọ nweghị akụkụ anaghị enweta uru na ntaneeti n'ihi na ọ bụ ozuru ụwa ọnụ.

**Ntụcha Nchọcha**
N'ebe a ka a kọwa ka a ga-esi jiri ntaneeti we kwalite asụsụ Igbo

**Mmekọrịta dị n'Etiti Ntaneeti na Asụsụ**
A chọpụtara na ntaneeti bụ usoro nzirita ozi nke agba ọhụrụ, ya bụ nke oge ugbu a, nke e ji ekesa ozi ederede ma ọ bụ nke e kwuru n'ọnụ. Ọ bụkwnụ asụsụ bụ isi ihe e ji eme ihe na ntaneeti ya bụ na-apụghị ịkewapụ nke ọ bụla na ibe ya. Asụsụ bụ isi mmiri na ntaneeti, ma e jighị asụsụ, ọ nweghị onye nwere ike ịghọta ihe a na-eme ma ọ bụ ihe a na-ekwu na ntaneeti. Ebe ọ bụ n'asụsụ bụ isi mmekọrịta mmadụ na ibe, ọ nweghị etu ntaneeti ga-esi arụ ọrụ ma e wezụga ya n'ihi na o bụ mmekọrịta ka e ji ntaneeti eme. Asụsụ bụ kpọmkwem ihe e ji edepụta ihe odide na ntaneeti, ọ bụ ya bụ ngwaọrụ e ji eme ka ntaneeti nwee ike ịbara ndị ji ya arụ ọrụ uru ya bụ mmekọrịta dị n'etiti ha abụọ dị ka nke dị n'etiti dị na nwunye na-enweghị nkewa ọ bụla, ọ bụ asụsụ mebere ntaneeti.

**Ọnọdụ Asụsụ Igbo n'Oge Ugbu a**
A chọpụtara na taneeti na-enyere asụsụ aka n'ụzọ dị iche iche maka na ọ bụ site na ya ka e si edepụta ma na-agụpụtakwa asụsụ nke ọma. Nke ọzọ bụ na ntaneeti na-eme ka ịsụ asụsụ dị iche iche dị mfe site n'inwe ngwaọrụ ndị na-asụgharị otu asụsụ gaa na nke ọzọ. Ihe dị ka "Google Translate" nke na-eme ka ndị mmadụ nwee ike ịtụgharị ihe n'asụsụ ọzọ. Ọ na-enyekwara ndị chọrọ ịmụta asụsụ ndị abụghị nke a mụnyere ha na ya nwee ike ime nke a. A na-esi na ya amụ maka ụtọasụsụ nke asụsụ dị iche iche ma sikwa na ya akwalite asụsụ n'ụzọ dị iche iche.

A chọpụtakwara na ka ụwa na-emepe anya, ọ dị ka asụsụ anyị bụ Igbo ọ na-anwụ pịị. Ihe butere nke a bụ n'ụfọdụ ezinaụlọ anaghị akụziri ụmụ ha ka esi asụ ma ọ bụ ede asụsụ Igbo. Ụfọdụ bụ ndị na-ajụ ihe e ji Igbo eme ma chefuo na asụsụ onye bụ njirimara ya. Nke dịkwa ka ibe ya bụ e nweghị ọtụtụ ndị nkụzi maara nke e riri n'ebe ọ metụtara ịsụ na ide asụsụ Igbo n' ụlọ akwụkwọ dị iche iche. Nke a kpatara ngwakọrita asụsụ Igbo na nke bekee a na-anụ ọtụtụ oge n'ọnụ ndị Igbo. Ihe dị ka;

*Sapientia Foundation Journal of Education, Sciences and Gender Studies (SFJESGS), Vol.4 No3 September, 2022; pg. 265 – 275*
*ISSN: 2734-2522 (Print); ISSN: 2734-2514 (Online)*

a. "Chenjiere m" ya nke pụtara gbanweere m ya
b. "Uzue" ya nke pụtara were ya
c. "Sutop" pụọ m ebe a nke pụtara kwụsị m ebe a wdgz.
Ha bụcha ụzọ ndị Igbo si asụ Igbo n'oge ugbu a nke bụ n'amaghị ihe e mere ya, asụsụ anyị ga-efu efu kpam kpam, ya bụ site na nkọwa ndị a, ọnọdụ asụsụ Igbo dị ka ọkụ amụnyere n'ịkpa.

**Ụzọ dị iche iche e nwere ike isi jiri Ntaneeti kwalite asụsụ Igbo**
A chọpụtara na e nwere ike iji ntaneeti kwalite asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na e nwere ndị ga-etinye ya uchu. Ebe ọ bụ n'ọtụtụ ndị na e ji ya arụ ọrụ n'oge ugbu a, ọ ga-abụ nnukwu enyemaka nyere asụsụ Igbo ebe ọ bụkwa na a na-eji ya amụta asụsụ ndị ọzọ na-abụghị asụsụ Igbo.

Ọ dị ọtụtụ ụzọ nke e nwere ike isi kwalite asụsụ Igbo site n'iji ntaneeti. Ha gụnyere:
**a. Mkparịta ụka:-** Ọtụtụ ihe bụ ihe e si n'ọwa ntaneeti eme nke otu n'ime ya bụ mkparịtaụka. Ọ bụrụ na ndị ghọta na ntaneeti dị ka obere nwa, na nke ọ bụla ị nyere ya, ọ nara gị rie na o nweghị asụsụ ọwa ntaneeti na-asụ kama na ọ bụ nke ọ bụla ị nyere ya ka ọ ga-ezipụrụ gị, ọ ga-enyere anyị aka. Ọtụtụ ozi nke a na-ezipụ na ntaneeti dị ka iziga ozi eletụrọniiki (E-mail) ma ọ bụ mkparịtaụka a na-eme na Wasaapụ, Fesbuuku, Tuwita wdgz, bụ asụsụ ka e ji eme ya. O buru na ndị Igbo a kpọọ ya mkpa iji asụsụ anyị bụ Igbo enwe mkparịtaụka ma ọ bụ ezikọrita ozi ebe ndị a, ọ ga-akwalite asụsụ anyị bụ Igbo.

**b. Mgbasa ozi:-** E nwere ike iji ntaneeti kwalite asụsụ Igbo. Ọtụtụ ụlọ ọrụ mgbasa ozi nwere ngalaba nke na-adị na ntaneeti nke ha na-akpọ E-tiivi, e nwere ike isi n'ụzọ dị otu a wepụta ihe omume dị iche iche a ga na-eme n'asụsụ Igbo wee sị n'ụzọ dị otu a na-eme ka ndị mmadụ nwee mmasị n'asụsụ Igbo.

**c. Ejije**:- A chọpụtara n'ejije so n'otu nnukwu ụzọ e nwere ike isi kwalite asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na a na-ele ejije obodo dị ka China, Korea, Philippines wdgz, a ga-ahụ na ọ bụ asụsụ ha ka ha na-eji eme ya, ha na-esi n'ụzọ dị otu a na-eme ka ndị abụghị ndị obodo ha na-amata asụsụ ha, omenala ha nke gụnyere ka ha si e ji ejiji, ndị obodo ha dị iche iche, ka ha si eme emume obodo ha dị iche iche dị ka alụmalụ na ihe ndị ọzọ dị iche iche gbasara obodo ha na ndị ha bụ. Ọ bụrụ na ndị Igbo ebido iji asụsụ Igbo mewe ejije ma site n'ụzọ dị otu a na-akọwara ndị mmadụ maka asụsụ Igbo, omenala anyị, nkwenye na nsirihundu ndi Igbo, ọ ga-eme ka ndị mmadụ nwee mmasị n'asụsụ anyị bụ Igbo. Ọ bụrụ na a ga-esi n'ụdị ejije ndị gosipụta omenala anyị dị iche iche dị ka; emume Ikeji nke ndị Arọndịzuọgụ ma ọ bụ Imo Ọka nke ndị Awka ndị bụ emume mmọnwụ, emume Igboto mma nke mkpaghara dị ka Ohafia, Abiribia, Item n'obodo ndị ọzọ dị iche iche na Steeti Abia, a ga-esi n'ụzọ dị otu a na-egosipụta ejiji ndị Igbo, nri ndị Igbo na ihe ndị ọzọ gbasara ala Igbo. Ọ ga-eme ka amamihe ndị mmadụ gbasara asụsụ Igbo bawanye ma mee ka ndị mmadụ tinye uchu ịmụta asụsụ Igbo.

**d. Agumagu:-** Agụmagụ bụkwa otu nnukwu ụzọ a ga-esi kwalite asụsụ Igbo. Agụmagụ bụ ụzọ odee dị iche iche si ezipụta echiche ha gbasara ihe ndị na-eme na ndụ. Ọ bụ ihe ndị dị iche iche esi n'ekereuche wee chepụta na-abara mmadụ uru. E nwere ike isi n'agụmagụ kwado ihe ọma dị iche iche nke a na-eme ma ọ katọọ omume ọjọọ, mmegbu, ọchịchị nchigbuo, oke ochichi wdgz. Agụmagụ ga-enye aka igbochi ọnwụwụ nke asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na ndị Igbo bido gosipụtawa agụmagụ ha dị iche iche n'ọnwa ntaneeti ma ọ bụ ederede ndị ọzọ gbasara asụsụ Igbo n'ọwa ntaneeti, ọ ga-eme ka ndị abụghị ndị Igbo ma ndị bụ ndị Igbo keta oke

*Sapientia Foundation Journal of Education, Sciences and Gender Studies (SFJESGS), Vol.4 No3 September, 2022; pg. 265 – 275*
*ISSN: 2734-2522 (Print); ISSN: 2734-2514 (Online)*

n'agụmagụ Igbo. Ọ bụrụ na a ga-achịkọta agụmagụ dị iche iche nke e dere n'asụsụ Igbo ma hazie ya n'ụdị na onye chọrọ ịmata ihe mere n'akwụkwọ ahụ nwere ike iji ọwa ntaneeti gụọ ya ma ghọta ya n'uju, ọ ga-enyere ọ bụghị naanị ụmụ akwụkwọ ndị na-agụ asụsụ Igbo n'ogo dị iche iche aka, ọ ga-eme ka asụsụ Igbo keta oke n'uju n'ọwa ntaneeti ma si n'ụzọ dị otu a mee ka asụsụ anyị gbagote n'ogo dị elu.

Ndị odee dị iche iche ndị dere ihe ọ bụla gbasara asụsụ ma ọ bụ ederede ọ bụla nke dị n'asụsụ Igbo kwesịrị ka ọ bụrụ nke ha mere ka ọ dị n'ọwa ntaneeti iji mee ka ndị ọzọ wee keta oke n'ime ya. Nchọcha dị iche iche nke e merela n'asụsụ Igbo bụ ndị kwesịrị ịdị n'ọwa ntaneeti iji mee ka ọ dịrị ụmụ akwụkwọ ndị chọrọ ime nchọcha n'asụsụ Igbo ma ọ bụ ndị chọrọ ịmata maka ụdị isiokwu ndị ahụ n'asụsụ Igbo inwe ike ime nke a.

**e. Ụzọ ọgbara ọhụrụ:-** Ọ dị ụzọ ọgbara ọhụrụ dị iche iche mmadụ nwere ike isi amụta asụsụ site na ntaneeti. Ọ bụrụ na ndị nwe asụsụ Igbo nwere mmasị ihu n'asụsụ Igbo agaghị anwụ, ga-enwe ike irụpụta weebụ nke nwere ike inye aka ịkọwa ma ọ bụ itapa asụsụ Igbo, ọ ga-enyere ndị chọrọ ịmụta asụsụ Igbo aka ịghọta ihe a na-ekwu ma ọ bụ ka e si e ji atụmatụ okwu, ilu, tensi dị iche iche arụ ọrụ n'asụsụ Igbo. Abịa n' akụkụ agụmagụ, ọ bụrụ na e nwee ụzọ ọgbara ọhụrụ bụ kpoo maka ịkọwa asụsụ Igbo, onye abụghị onye Igbo chọrọ ịgụ agụmagụ Igbo nwere ike ime nke a na-enweghị ihe ịmaaka n'ihi na ọ ga-esi n'ụzọ dị otu a tụgharịa agụmagụ n'asụsụ ọ chọrọ ma nwetakwa nghọta kwesịrị ekwesị ya bụ na nghọta ahụ odee nyere aghara ịfụ site n'ụzọ dị otu a. N'akụkụ nke ejije, inwe ụdị ụzọ ọgbara ọhụrụ dị otu a ga-eme ka ọ dị mfe onye abụghị onye Igbo ịghọta ejije e mere n'asụsụ Igbo n'ihi na a ga-esi n'ụzọ dị otu a na-atụgharị ya. Iji maa atụ apụ dị ka "Google Translate" bụ asụsụ ka ọ na-atụgharị mana ọ naghị asụta ihe a tụrụ ya n'asụsụ Igbo n'ihi na ọ bụghị ndị nwee asụsụ Igbo mepụtara ya kama ọ bụ ndị bekee mepụtara ya. O buru na ndị Igbo e nwee ike ịmepụta ihe ndị dị otu a, ọ ga-enyere asụsụ Igbo aka ebe ọ dị ukwuu maka na ọ ga-eme ka ọ dịrị ndị chọrọ ịmụta asụsụ Igbo mfe.

**f. Nkuzi:-** Nkuzi bụ ụzọ kacha mkpa iji kwalite asụsụ Igbo n'ọwa ntaneeti. Ọ bụrụ na ndị maara asụsụ Igbo marakwa ka e si e ji ntaneeti akuzi ihe nwere ike ime ya ka ọ bụrụ oke na ọrụ ibido kuziwe asụsụ n'ọwa ntaneeti dị iche iche, ọ ga-enye aka ka;

a. Ka ndị amabughị ghọta kpọmkwem ntọala ọtụtụ ihe ndị amabughị n'asụsụ Igbo.
b. Ọ ga-enyekwa aka ka ndị chọrọ ịmụta asụsụ Igbo n'abughi ndị Igbo nwee ike ime nke ma mụtakwa kpọmkwem site n'olu ma ọ bụ n'ọnụ ndị nwe asụsụ.
c. Ọ ga-eme ka ọ dị mfe ndị abụghị ndị Igbo ghọta okwu Igbo dị n'akwụkwọ ọgụgụ ma ọ bụ n'ihe onyonyo ndị ha na-ekiri n'ihi nkụzi ndị ha natagoro.

Ya bụ n'ikuzi asụsụ Igbo n'ọwa ntaneeti bụ isi sekpu ntị n'ikwalite asụsụ site na ntaneeti.

**Ọnọdụ inwe Nkọwa Okwu Igbo bụ kpoo n'Ọwa Ntaneeti ga-esi enye aka n'Ọmụmụ asụsụ Igbo na Uru o ga-aba**

Inwe nkọwa okwu Igbo bụ kpoo ga-enye nnukwu aka n'ikwalite iji ntaneeti eme ihe n'ọwa ntaneeti. Okwu bụ akwụkwọ ma ọ bụ akụrụngwa eletrọniiki nke na-edepụta mkpụrụ okwu nke asụsụ nke na-abụkarị n'usoro mkpụrụ edemede wee nye ihe ha pụtara ma ọ bụ nye ogbo ya n'asụsụ dị iche. Ọ na-enyekarị ozi gbasara mkpọpụta okwu, ka okwu ahụ si mmalite na ka e si e ji ya arụ ọrụ. Nkọwa okwu ịdị n'ọwa ntaneeti ga-eme ka ọ dịrị onye ọ bụla chọrọ ịmụta asụsụ Igbo n'ọwa ntaneeti mfe ime nke a. Ebe ọ bụ na ọ na-akọwa mpụtara okwu, ọ ga-adị

*Sapientia Foundation Journal of Education, Sciences and Gender Studies (SFJESGS), Vol.4 No3 September, 2022; pg. 265 – 275*
*ISSN: 2734-2522 (Print); ISSN: 2734-2514 (Online)*

mfe onye abụghị onye Igbo chọrọ ịmụta asụsụ Igbo ime nke a. Ebe ọ bụkwa na nkọwa okwu na-akọwa ka okwu siri mmalite ya na ka e si e ji ya arụ ọrụ. Nkọwa okwu bụ ngwaọrụ e ji amụ asụsụ. E nwere ike iji ya eme ihe n'ụlọ akwụkwọ maọbụ n'ụlọ na nke onwe gị. Ọ bụrụ na anyị e nwee nkọwa okwu bụ kpoo n'ọwa ntaneeti, ọ ga-eme ka mmụta asụsụ Igbo dị mfe.

**Uru ndị e nwere ike Ị nweta ma ọ bụrụ n'Asụsụ Igbo gbanye Mgbọrọgwụ na Ntaneeti**
Ọ dị ọtụtụ uru ga-esi n'ime ka asụsụ Igbo gbanye mgbọrọgwụ na ntaneeti wee pụta, ha gunyere;

**a. Mmụta ga-adị mfe:-** Ọ bụrụ n'asụsụ Igbo gbanye mgbọrọgwụ na ntaneeti, ọ ga-adị mfe onye ọ bụla nwere mmasị ịmụta asụsụ Igbo ime nke. Ebe ọ bụ na ndị kacha mkpa ka ahafe asụsụ Igbo n'aka iji gbochie ọnwụ asụsụ Igbo bụ ndị ntorobịa, ọ bụkwa ndị ntorobịa bụ ndị ka n'ọnụọgụgụ na ndị na-eji ntaneeti arụ ọrụ kwa ụbọchị. Ọ bụrụ n'asụsụ Igbo gbanye mgbọrọgwụ na ntaneeti ọ ga-eme ka ọ dịịrị ha mfe ịmụta ya, ọ ga-enyekwa ohere ka ndị na-abụghị ndị Igbo nwere mmasị n'asụsụ Igbo inwe ike ịmụta ya bụ asụsụ. Ọ ga-enyekwa ohere ka ndị nne na nna bụ ndị Igbo mana ha ebighị n'ala Igbo chọrọ iji asụsụ Igbo wee zụọ ụmụ ha ma ọ bụ ịkụziri ụmụ ha asụsụ Igbo nwere ike ime nke a n'ihi na ha ga-enwe ngwaọrụ ndị ha g-eji eme otú a. Ndị na-abụghị ndị Igbo na-agụ akwụkwọ nke nwere ngwara ngwara asụsụ Igbo nwere ike ịghọta ihe a na-ekwu maka ya. Nke pụtara na ọ bụrụ n'asụsụ Igbo gbanye mgbọrọgwụ na ntaneeti, mmụta asụsụ Igbo ya bụ ọgụgụ ma odide ga-adị mfe.

**b. Ịkwalite asụsụ Igbo:-** Asụsụ Igbo gbanye mgbọrọgwụ na ntaneeti ga-enye nnukwu aka igbochi ọnwụwụ nke asụsụ Igbo. A chọpụtara n'ihe na-egbochi asụsụ ịnwụ anwụ dabekarịchara n'ọnụọgụgụ ndị ji asụsụ ahụ eme ihe kwa ụbọchị. Ọ bụrụ n'ọtụtụ ndị na e ji ntaneeti eme ihe kwa ụbọchị bido jiwe asụsụ Igbo eme ihe kwa ụbọchị na ntaneeti, ọnụọgụgụ ndị na e ji asụsụ Igbo eme ihe ga-agbago ma site n'ụzọ dị otu a mee ka asụsụ Igbo gbagote n'ogo dị elu. Ọ ga-emekwa ka omenala ndị Igbo pụtakwụọ ihe n'ụwa.

**c. Ịkpata ego:-** E nwere ike isi n'ime ka asụsụ Igbo gbanye mgbọrọgwụ na ntaneeti wee kpata ego. Ọ bụrụ na mmadụ ebido ikuzi asụsụ Igbo n'ọwa ntaneeti, ọ ga-esi n'ụzọ dị otu a akpata ego ma ọ bụrụ na ọ chọọ. Ọ nwekwara ike isi n'ụzọ dị otu a enweta ọrụ dị iche iche nke ọ ga-esi na ya akpata ego dị ka ọrụ ime ntụgharị, ide ụdị ederede dị iche iche wdgz.

**Nchịkọta**
Asusu bu nnukwu ngwaọrụ ntaneeti ji arụ ọrụ ya bụ na asụsụ na ntaneeti nwere ezigbo mmekọrịta. Di ka ntaneeti bụ owa ikiku e ji eme ihe nzikọrịa ozi, asụsụ bụ isi mmiri na ntaneeti, ma e jighị asụsụ, ọ nweghị onye nwere ike ịghọta ihe a na-eme ma ọ bụ ihe a na-ekwu na ntaneeti. Ebe ọ bụ n'asụsụ bụ isi mmekọrịta mmadụ na ibe, ọ nweghị otu ntaneeti ga-esi arụ ọrụ ma e wezụga ya n'ihi na o bụ mmekọrịta ka e ji ntaneeti eme

Ọnọdụ asụsụ Igbo n'oge ugbu a bụ nke na-agba anya mmiri nke na ọ bụrụ na amaghị ihe e mere, asụsụ Igbo ga-anwụ pii. N'ihi na asụsụ onye bụ njirimara onye, ọ buru na amaghị ihe emere ọnọdụ a, asụsụ anyị ga-efu efu kpam kpam.

Ọ dị ụzọ dị iche iche e nwere ike iji mee ka asụsụ Igbo dịkwa n'ụdị. Ụzọ ndị a gụnyere mkparịta anyị na-eme nke a na-eme kwa ụbọchị ya bụ ime ya ka ọ bụrụ ihe maara ahụ iji

asụsụ Igbo eme mkparịtaụka n'ntaneeti n'ihi na ntaneeti dị ka obere nwa, ihe ọ bụla i nyere ya ka ga-eri.

Inwe nkọwa okwu bụ kpọọ n'asụsụ Igbo n'ọwa ntaneeti bụ nke dị nnukwu mkpa ma bụrụkwa nke ga-enye nnukwu aka n'ime ka asụsụ Igbo kwụrụ n'ntaneeti n'ihi nkọwa okwu na-akọwa mpụtara okwu, ọ ga-adị mfe onye ọ bula chọrọ ịmụta asụsụ Igbo n'ntaneeti ime nke a.

**Edensibịa**

Ajayi, C. and Onyelayo, B. (2007). *Journal of Nigerian Language and Culture.* Owerri: Association of Promoting Nigerian language and culture. Vol. 6. Pp. 109-117

Anigbogu, P.N., Mbah, B.M. and Eme, C. (2010). *Introduction to linguistics*. Awka: Amaka Dreams.

Armstrong, T. (1994). *Multiple Intelligence in the Classroom*. Alexandria, VA: Association for Supervision and Curriculum Development.

Audu, C. (2006). "Internet availability and use by Postgraduate Students of University of Nigeria, Nsukka".

Bloch, B. and Trager, G.L. (1942). *Outline of Linguistics Analysis*. Baltimore: Linguistics Society of America.

Bryman, A., and Bell, E. (2011). *BusinessResearch Methods* (3rd Edition ed.): Oxford

Corder, S. (1975). "Error Analysis, Interlanguage and Second Language Acquisition (Survey Article)." *Language Teaching and Linguistics Abstracts*. Pp. 201-218

Edward, A. (1976). *Culture, Class, and Context: Education and the Sociology of Language*. Heinemann Educational Books.

Ejiofor P. (2009). *Ibeku Ndị Igbo Maka Asụsụ Igbo*. Awka: Valid Publishers.

Emenanjo, E. N. (2005). "ICT, globalization & the Future of Human Language." In Ndimele (ed.) *Globalization & the study of languages in Africa*. Port Harcourt: Grand Orbit Communications & Emhai Press. Pp. 1-18

Ezikeojiaku P.A. (1989). *Fonoloji na Ụtọasụsụ Igbo*. Ibadan: Macmillan Nigeria.

Greenbreg J. H. (1955). *Studies in African Linguistic Communication.* New Haven: Compass Publishers.

Hellebrandt, J.(1999). "Virtual Collaborations in the Spanish Class from e-mail to web design and CD- Rom development" *Journal of Educational Computing Research.* Pp.59-70.

Hussain, I. (2012). A study to Evaluate the Social Media Trends among University Students. *Proc. Soc. Behave. Sci.* Pp. 639-645.

Isayev, M. (1977). *National Language is the USSR: Problems and Solutions.* Moscow: Progress Publications.

Lado, R. (1957). *Linguistics Across Culture: Applied linguistics for language teacher's*. U.S.A: University of Michigan Press.

Lam, L. (2000). "L2 literacy and Design of the Self. A Case Study of a Teenager Writing on the Internet" *TESOL Quarterly* 34(3) 457-482

Martin, C. and Schell, B. (2006). *Webster's New World Hacker Dictionary.* https://www.speedersoftware.com/cheats/hacks Accessed 31/5/2022.

Mcleod, S. (2008). "Social Roles and Social Norms." Simply psychology.org/social-roles html. https://www.simplypsychology.org Accessed 16/5/2022.

Mclntosh, A. and Stevens P. (1964). *The Linguistics Sciences and Language Teaching*. Britian: Longman.

Molteram G. (1992). "Authorising Tools and Teacher Training or Call, system." Pp.151-160

Ngoesi M.C. (2004). *Mchikọta ihe Ọmụmụ nke Asụsụ Igbo*. Enugu: Optimal.

Ndimele O. (2005 ed) Globalization and the study of languages in Africa. In Obioma B.E and Uchamma J.A. *The Mass Media in Developing and Enhancing Attitudes towards Nigerian languages. The past, the present and the future.* Port-Harcourt: Grand Orbit Communication and Emhai press, pp 89-99.

Nwaozuzu, G.I. (2015). "*Agbambo Ndi Igbo na Nkwalite Asụsụ na Omenala* ha 9th Memorial lecture in Honour of Chief F.C Ogbalu." Onitsha: Varsity Publishing Company in association with Nnamdi Azikiwe University Awka.

Ofomata, C. (2007). *Ndezu utoasusu Igbo: Usoro nkuzi na omumu nke UBE*. Enugu: Format Publishers (Nig.) Ltd.

Okorji, C. A. Eme, & G. S. Omachonu (Eds.), *Contemporary Issues in Linguistics and Languages: A Festchrift in Honour of Prof. Clara Ikekeonwu at 65* (pp. 378-388). Enugu: Rossen Publications Ltd.

Richards, J. C., & Rodgers, T. S. (1995). Approaches and methods in language teaching. Cambridge: Cambridge University Press.

Sahin, Y.G., Balta S., Ercan T. (2010). "The use of Internet Resources by University Students during their Course Projects Elicitation: A Case Study of Turkey." *Online J. Education Technology*. https://www.researchgate.net Accessed 21/5/2022.

Sapir, E. (1921). *Language: An Introduction to the Study of Speech.* United Kingdom: Blackwell Publishers.

Seinda, A. (1985). *Literary Appreciation.* Ibadan: Onibanoje Press & Book Industry.

Shitta, M.B.K. (2002). The Impact of Information Technology on Vocational and Technology Education for Self Reliance 1(1). https://iproject.com.ng Accessed 21/5/2022.

Sindaire, J. (Eds). (1992). *BBC English Dictionary*. London BBC English Harper. Collins Publishers.

Ward, G. (1996). "On the Discourse Function of Right Ward Movement in English." In Adele Goldberg (ed). *Conceptual Structure Discourse and Language Stanford University Center for the Study of Language and Information.* https://faculty.wcas.northwestern.edu Accessed 21/5/2022.

Will, B., and Jeffrey, E. (2019). Introduction to information and communication Technology. https://openbookprojectnet Accessed 21/5/2022.

Zoe (2010) *Technology reporter*, BBC News Published 16 August 2010